# ỌDỊDA ALỤMALỤ: AJỌ IKUKU SERE ELU N'AGỤMAGỤ IGBO NDỊ A HỌỌRỌ

**Chinenye Olekaibe Ph.D.**

Federal University Of Technology Owerri
ehume64@gmail.com

**Na**

**Ethel Ebere Obiakor Ph.D.**

School of General Studies
Department of Languages and Humanities
Alvan Ikoku Federal College of Education, Owerri
Email: motherlytough22@gmail.com

## Ụmịedemede

Ọdịda alụmalụ bụ ihe ekwesịghị ka e cheta ya n'ime alụmalụ ọ bụla n'ihi na ọ bụ ikuku ọjọọ nke anaghị ekutere ndị ọ gbasara ihe ọma. Ụdị ọnọdụ ọjọọ a bụ ihe kpaliri mmụọ ndị odee a mere ha ji chọọ ịmata ka isiokwu a siri see elu n'agụmagụ Igbo ndi a họọrọ. E ji agụmagụ Igbo anọ mee nchọcha a. Ha bụ *Isiakwụ dara n'ala* nke Tony Ubesie dere, *Isi kote ebu* nke Fidelis Ihentuge dere, *Uru nwa* nke J.C. Maduekwe dere na *Nkọlị* nke Tagbo Nzeako dere. A gbasoro usoro ntule ndịna wee hazie ya. Nchọcha a chọpụtara etu ndị Igbo si ahụ ọdịda alụmalụ, ụfọdụ ihe na-akpata ọdịda alụmalụ, ka ọnọdụ a siri see elu n'agụmagụ Igbo ndị a họọrọ nakwa ụzọ ndị e nwere ike isi gbochie ọnọdụ a n'ime alụmalụ. Ndị nchọcha a mechiri site n'ikwu na ndị mmadụ nọ n'ime alụmalụ nwere ike ịgbalahụ ọnọdụ a site n'ụdị agwa ha na-akpa n'ime alụmalụ ha.

## Ndubata

Alụmalụ bụ usoro pụrụ iche mmadụ abụọ si egosipụta onwe ha ịhụnaanya miri emi site n'ibikọta ọnụ ma bụrụ otu anụ ahụ dịka nkwenye ọdịnaala ha siri dị. Ọdịda alụmalụ bụ nghasa nke alụmalụ maọbụ mgbe alụmalụ kpọrọ isi n'ahụ aja. E nwere ike ịsị na ọ bụ ọnwụ nke alụmalụ nke mbilite ya na-anyị ajọ arụ. Alụmalụ ịda bụ alụmalụ imebi maọbụ ịla n'iyi maọbụkwanụ mkposa nke ya bụ alụmalụ. Ọzọ, ọdịda alụmalụ bụ oge alụmalụ na-agba ghara ghara, mmadụ abụọ bi n'otu ụlọ dịka di na nwunye abụrụzie ndị iro abụọ bi n'otu ụlọ. Ọ bụkwa oge nsogbu maọbụ esemookwu dị n'ime alụmalụ nọzi n'elu ọjị nke na e nweghị onye n'ime mmadụ abụọ nọ n'ime alụmdi na nwunye na-anụzi ihe ibe ya na-ekwu, onye ọ bụla na-eje n'ụzọ nke aka ya ma na-emezi ihe masịrị ya n'atụghị ụjọ ihe nke ahụ nwere ike ịkpatara onye nke ọzọ. N'eziokwu, ngwangwa alụmalụ dara, alụkwaghịm esee n'elu. Mbosowo (1994) sị na alụkwaghịm bụ ụzọ kacha mma e si egbo esemookwu ndị ahụ ekweghị ndozitali n'ime alụmalụ.

N'uche nke ya, Amato (2000) n'ime Amato na Denise (2003) kọwapụtara na, n'ime ndị gbara alụkwaghịm ka a na-aka ahụ ịda mba nke onwe, nlọtu ala n'ihe nnweta nke obibi ndụ dị mma na nsogbu nke ahụ mgbu karịa ndị nọ n'ime alụmalụ. Okwu ha enweghị mgbagha n'ihi na mgbe mmadụ nọ n'ihe mgbu nke obi na nke anụahụ n'ihi ọnọdụ o nwetara onwe ya site n'alụmalụ

ya nwere ike ime onye ahụ 'jikere amaghị ebe o je'. N'eziokwu, ọdịda nke alụmalụ alaala ọtụtụ ndụ nakwa ezinaụlọ n'iyi ma mee ka ọtụtụ tọgbọrọ n'ute ọrịa enweghị ọgwụgwọ ruo taa. Amato (2000) n'ime Kristi na Aleụandra (2006) sị na ọdịda nke alụmalụ abụghị ihe na-abịa na mberede na ọ bụ ihe na-abịa site n'emeteghị ihe etu o kwesịrị maọbụ mgbagha ihe ndị kwesịrị ka e mee bụkwa ndị elebanyeghịrị anya maọbụ mezie ha. Ha sịkwa na ọ bụ ihe ndị dị etu a na-akpagide ụdọ wee zọnye ụkwụ n'ime akwụdosighị ike nke alụmalụ ahụ. Nke a dabara n'anya ya n'ihi na, 'a naghị egbuji osisi taa ya akpọnwụọ taa' dịka Igbo si ekwu n'okwu. Ọ bụ ụmụ irighiri ihe a na-eleghara anya kwa mgbe kwa mgbe bụ ha na-adọbi ụdọ ahụ e kesiri ike nke bụ alụmdi na nwunye.

N'ịtụnye alo nke ya, Omoge (2013) sị na ụfọọdụ ihe ndị nwere ike ibute ọdịda nke alụmalụ gụnyere amụtaghị nwa, enweghị ọrụ, esemookwu ekweghi ndozi, agwa ọjọọ na-ekweghị nhapụ dg. N'eziokwu, ọdịda alụmalụ bụ ajọ ikuku anaghị ekutere ihe ọ bụla nọ ya nso ihe ọma etu ọ bụla e si lee ya anya. Ọ bụkwa ya mere ndị nchọcha a ji chọọ ka ha mata etu ụmụafọ Igbo ndị a họọrọ agụmagụ ha si wee tụlee isiokwu a n'ime edemede ha.

## Ndị Igbo na ọdịda alụmalụ

Ngwangwa alụmalụ dara, onye ọ bụla n'ime ndị nọ n'alụmalụ ahụ etinye isi n'ụzọ be nna ya. Ọ bụ ụdị ọnọdụ ọjọọ a mere na ndị Igbo na-agba mbọ etu ọ bụla ha nwere ike iji gbochie ụdị ọnọdụ a ịdapụta. Ha na-eme nke a site na ịkpọta onye aka ebe oge a na-alụ nwaanyị. Ọ bụ onye dị etu a na-agba aka ebe na a lụrụ nwaanyị ahụ alụ ma bụrụkwa onye di na nwunye ahụ nwekwara ike ịgbakwuru ma ọ bụrụ na nsogbu dị aṅaa adapụta. Onye aka ebe na-enye aka n'idoziri ha okwu ma mekwaa ka alụmalụ ahụ kwudosie ike. Ọzọ, ọ bụrụ na esemookwu ahụ tara oke akpụ, ndị ụmụnna nwekwara ike ịbata ime ka udo dị. Oge a gbachara mbọ ndị a niile ma isi apụtaghị, alụmalụ ahụ daruo ala, achọkwaghịm awụchie. Ịgba alụkwaghịm maọbụ achọkwaghịm bụ ụzọ ndị Igbo si egosipụta na ndị nọ n'ime alụmalụ a na-ekwu okwu ya achọghịzi ihe ọ bụla ga-ejikọ ha na alụmalụ ahụ ọzọ.

Osuagwu (1979) kwenyere na nke a wee sị na ịgba achọkwaghịm bụ di na nwunye ikewa, nke onye ọ bụla ga-eji nọrọ na nke ya. N'ikwu ya n'atụghị ụjọ, mgbe ọ bụla ndị nọ n'ime alụmalụ kewara nke onye ọ bụla ịgawa ụzọ nke ya, alụmalụ ahụ adaala kpamkpam. N'ọnụmmiri okwu ya, Ogbalu (1979) mere ka a mata na ịgba achọkwaghịm bụ ụzọ e si ekewapụ di na nwunye na o nweghị ihe ga-eme ka ha biri ọzọ.

Ubesie (1978) sị na mgbe nwaanyị gbalatara ọsọ na be nna ya ji obi ya kwuo na ya agakwaghị alaghachi na be di ya, ọ na-agwa ndị mụrụ ya ka ha mata na ịlaghachi na be nwoke ahụ ga-adị ya ka ọ bụ ọkụ mmụọ ka ọ na-eje. Nwaamadị a ataala ụkwa jaa eze iji gosi ụdị ọnọdụ na-eme ka alụmalụ daa kpamkpam bụ nke o ji tunyere ọkụ mmụọ. Mgbe ọnọdụ dịzi ka ọkụ mmụọ, ọ pụtara na ọnọdụ ahụ adịghịzi mma ọnụnọ.

Ọdịda alụmalụ so n'otu ọkpụrụkpụ ihe Igbo na-asọ nsọ n'ihi ọtụtụ ihe ya na ya so aga bụ ndị na-ebute ọdachi nye ndị nke a gbasara, ezinaụlọ na obodo ha si n'ime ya pụta. Igbo kwenyere na mmekọrịta nke ụmụnne na ụmụnna. Nke a pụtara na ọgọ bụ nwanne onye. Ngwangwa ọdịda alụmalụ weere ọnọdụ, mmekọrịta nke ọgọ na ọgọ ga-esokwa kụọ afọ n'ala. Ya bụ na mgbochi ọrịa ka mma karịa ọgwụgwọ ya.

Ụfọdụ ihe ndị na-akpata ọdịda alụmalụ gụnyere:

- **Alụmdi na nwata:** Igbo kwenyere n'ụdị alụmalụ a mana 'okoro erughị eru wara ọgọdọ ikuku bịa, o buru ya buru ọgọdọ' dịka Igbo si ekwu n'okwu. Ọ bụrụ na nwata etorughị etoru banye n'alụmalụ, ọ na-eme ka ọ hapụ ịma ọtụtụ ihe dị mkpa o kwesịrị ịma gbasara alụmalụ ọ nọ n'ime ya. Oge ụfọdụ ọ ga na-akpakwa agwa ụmụaka n'ihi na mmadụ anaghị enye ihe o nweghị. Ọnọdụ dị etu a emeela ka ọtụtụ alụmalụ bụrụ ihe kụrụ afọ n'ala.

- **Ọrịa:** Ọrịa bụ ihe na-arịa mmadụ etu o si chọọ na mpaghara ahụ ọ bụla ọ chọrọ. Ụfọdụ ọrịa na-adị n'agbụrụ ebe ụfọdụkwa na-abịa mmadụ abịa. Ma ka ọ dị taa, ọtụtụ ọrịa ka ndị mmadụ anaghị anagideli n'ime alụmalụ ha ma bụrụkwa ndị kwaturula ọtụtụ alụmalụ. Ụfọdụ ọrịa ndị a gụnyere ọrịa isi mgbaka, ọrịa ọcha, ọrịa obirinaajaọcha dg.
- **Izu ohi:** Izu ohi bụ ihe ọjọọ jọkarịrị udele na njọ ma bụrụkwa ihe na-ebutere ma mmadụ ma mmụọ ihe ihere. Ndị ụfọdụ na-akpọ ya mmadụ ime aka ntụtụ. O nweghi onye ga-achọ ka ya na onye na-akpa ụdị agwa a mekọọ ihe. Oge ụfọdụ, ọ na-esi n'agbụrụ maọbụ ihe e mere mmadụ eme maọbụkwanụ ụdị ndụ mmadụ hoọrọ ibi. Etu ọ bụla e si tulee ya, ọ na-ebutere ezinaụlọ ezigbo ihe ihere. Ụdị ọnọdụ a na-eti alụmalụ aka ọjọọ ma kwatuokwa ya kpamkpam.
- **Ọnwụ ihe nwoke maọbụ nwaanyị:** Isi a hụrụ kwawa okpu n'ime alụmalụ n'ala Igbo niile bụ ịmụta nwa. Igbo bụ ndị anaghị eji ọmụmụ egwuri egwu mere ha ji ekwu na okwu si 'ebe ọ bụla nwa si ya hiri'. Ya mere na mgbe ọ bụla a chọpụtara na ihe nwoke ji arụ ọrụ maka ịmụta nwa maọbụkwanụ na nke nwaanyị adịghịkwa ndụ na-ebute ọdịda nke alụmalụ ahụ n'eleghị anya n'azụ.
- **Ịkwaso iko n'ike:** Mmadụ ịkwaso mmadụ iko n'ike bụ arụ n'ala Igbo bụrụkwa nke o nweghị onye chọrọ ya n'ihi ọghọm na-eso ya aga. Ọ bụ ya mere na mgbe ọ bụla e jidere onye nọ n'ime alụmalụ na-eme ihe dị etu a, ọ na-ebute ntisa nke alụmalụ ahụ ma mekwaa ka ọ daa kpamkpam.
- **Ịta amoosu:** Igbo kwenyere na onye na-ata amoosu bụ onye ọjọọ na onye arụrụala n'ihi na ọ maghị onye bụ onye. Ọ na-egbu ma nke ya ma nke onye ọzọ. Ya bụ na onye ọ bụla nwere onye amoosu n'ime ụlọ ya nọ n'ezigbo nsogbu n'ihi na oge ụfọdụ ndị amoosu nwaanyị na-eri nwa dị ha n'afọ nke na-eme ka onye ahụ ghara ịmụtara di ya nwa. Nwaanyị amoosu nwekwara ike gbuo di ya. Nke a kpatara na mgbe ọ bụla a chọpụtara ya, ọ na-eme ka alụmalụ daa.
- **Oke ịlụ ọgụ na esemookwu:** Oke ịlụ ọgụ na ise okwu adịghị mma ma ya fọzie ịdị n'etiti di na nwunye. Agwa dị etu a na-eme ka ịhụnaanya laa ebe iro, ekworo, obi ọjọọ na omume ndị ọzọ jọrọ njọ ga-ewerezi ọnọdụ. Mgbe nke a na-eme, ọdịda alụmalụ na-esochi eleghị anya n'azụ.
- **Ntinye anya nke ndị ọgọ:** Alụmdi na nwunye bụ ihe gbasara sọọsọ ndị nọ n'ime alụmalụ ahụ. Mana ọtụtụ oge, ndị ọgọ nwaanyị ịna-agbaziri nwa ha olu etu ha che ka mma ọ ga-esi na-eme di ya maọbụ nwunye yana-ebute nsogbu ọtụtụ oge n'ezinaụlọ. Ọnọdụ dị etu a akwatuola ọtụtụ alụmalụ, ha ebiliteghị ọzọ.

**Ntule ọdịda alụmalụ n'ime akwụkwọ ndị a hoọrọ**

N'ebe a ka a ga-eleba anya n'ọkpụrụkpụ ihe ndị sere n'elu bụ nke gosipụtara na alụmalụ adaala. Ihe ndị a ga-eleba anya gụnyere:

- **Mwepụ obi n'alụmalụ kpamkpam:** Obi mmadụ ịpụ n'ihe ọbụla ọ na-eme pụtara na ike ihe ahụ agwụla ya maọbụ na ihe ahụ abazighịkwara ya uru n'ihi na ihe dị mmadụ mkpa ka ọ na-echekwa. Ngwangwa di maọbụ nwunye nwere obi achọghịm ịma, ọ gbasaghịm n'ime alụmalụ ya, ihe ọ pụtara bụ na alụmalụ ahụ anwụọla. Ọnọdụ a sere elu n'ime akwụkwọ *Isi akwụ dara n'ala*, oge Ada malitere ibi ndụ achọrọ m ịma n'ihi na obi ya apụọla n'ime alụmalụ ya na Chike. Sọọsọ ihe ọ mazi maka ya oge ahụ bụ onwe ya.

  > Nke ugbu a naanị ihe ọ na-arụ bụ idewe onwe ya ọcha chọrọ ndị enyi ya bilie ma ọ sachaa ahụ",ihu 91

Ugbu a Ada achọghịzi ịma, ihe gbasara Chike di ya agbasaghị ya, ihe ọ nọzi ugbu a bụ onye na nke ya, onye na nke ya. N'ihi nke a, ọ na-anọzi n'ihu Chike di ya emezi ihe ọ bụla masịrị ya n'atụghị ụjọ ihe ọ bụla.

> Ebe ha abụọ na-arụ ụka, ha nụrụ aka na-akụ n'ụzọ. Ọ bụ onye? Otu nwoke wee bata. Ada biliri n'ihu di ya bụ Chike, jee bie nwoke ahụ ọma. Onwe Chike gbara ya ka akpị na nwunye ya ji ego ya lụọ ka nwoke a na-ebi ọma n'ihu ya. Chineke ekwela!,ihu 127.

Nke a gosịrị kpọmkwem na alụmalụ ha adaruola ala n'ihi na ihe a nụrụ banye ọrụ nkuzi abụghịzi ihe a na-akwụ. Ada achọghị ịma maka mkparị ọ na-enye di ya. Ọ gakwara n'ihu na-eme ihe ọ na-eme.

> Mgbe nwoke ahụ malitere fịọwa Ada aka n'azụ na n'ukwu ka Chike ji weere ọsọ bilie sị na ya alawala ka mkpụrụ anya ya abụọ ghara ịhụ ihe anya na-asọ nsọ. Ka Chike si gbapụ n'ike mere na ha abụọ malitere chịwa ọchị,ihu 127.

N'ala Igbo, nwaanyị nọ na di ịga be nwoke ọzọ bụ ihe ọjọọ mana nke ịnọzi n'ihu di ya enwe mmekọ ya na nwoke ọzọ bụzi nsọ ala ka ibe ya. Ada emerụọla ala n'ime alụmalụ ya iji gosi na alụmalụ ahụ abụghịzi maka ya. Mgbe nwaanyị kpagidere agwa ruo na ụdị a, mara na alụmalụ ahụ adaruola ala n'ihi na Igbo na-ekwu okwu sị na 'ala nwaanyị nwe ọnụ di ya na ala ahụ arụọla'. N'ịga n'ihu igosi na obi ya apụọla na ebe di ya nọ mere oge niile Chike na-agwa ya okwu, ihe na-esi ya n'ọnụ apụ bụ.

> Di gbakwaa ọkụ!, ihu 115.

Nwaanyị ji alụmalụ ya kpọrọ ihe agaghị asị ka di ya gbaa ọkụ n'ihi na di ya ịgba ọkụ pụtara na alụmalụ ahụ agbakwaala ọkụ maka na 'ihe onye kpọrọ nkịta ya ka ọ na-aza'. Ihe ndị a niile ezipụtala na alụmdi na nwunye Chike na Ada akụọla afọ n'ala bụkwa nke mbilite ya ga-ara ahụ.

N'*Isi kote ebu* bụ ebe ọzọ ọdịda alụmalụ gosipụtara onwe ya site n'ụzọ Osuchukwu siri wepụchaa ihe gbasara nwunye ya n'obi ya kpamkpam. Naanị ihe na-echuzi ya ụra ugbu a bụzi Ọbịageli enyi ya nwaanyị.

> Osuchukwu rọkwara nrọ ọzọ maka Ọbịageli. Nke taa, ihe ọ rọrọ na nrọ bụ na ya alụọla Ọbịageli wee kpọọ oriri. N'ime oriri ahụ ka ọ na-achị ọchị chịpụta ya na mmadụ, ihu 26

Mgbe nwoke ga-anọ, ọ naghị echeta ihe gbasara nwunye ya na ezinaụlọ ya n'ihi nwaanyị ọzọ mara na alụmalụ ahụ ga-ara ahụ ibili n'ọdịda ya.

> Osuchukwu achọghị ịhapụ Ọbịageli ọzọ ma mgbe o bidoro chewe ụzọ ọ ga-esi jidesie nwa agbọghọ a ike ka ọ bụrụ nke ya, o meturu ya n'obi ịlụ ya, ihu 16

N'ezie echiche mmadụ chere wee gbuo onwe ya abụghị ntakịrị ihe, ugbu a, Osuchukwu achọghịzi ihe ọ bụla ga-ejikọ ya na nwunye ya ọzọ n'ihi na alụmalụ ahụ adaala kpamkpam n'anya nke ya mere o jiri chọzie ịlụrụ onye ọzọ ga-anọchi anya nwunye ya Nkeiru dịka nwunye.

Na nkebi ọzọ, ọdịda alụmalụ pụtara ihe n'akwụkwọ *Urunwa* oge Wogu hụrụ nwunye ya dịka onye ejighị ya kpọrọ ihe lekwasara nwoke ọzọ o che ka ya mma anya

mere o ji wepụ obi ya n'ebe nwunye ya nọ ma na-achọzi ụzọ ọ ga-esi kpughee ihe e zoro ezo.

> Agwara m ya ka ọ pụọ tupu Wogu di m abakwute ya n'ụlọ m. Ihe m jiri gwa ya otu ahụ bụ na Wogu dị na mbụ na-ele mụ na nwoke ahụ anya na-adịghị mma, ihu 43.

Ọdịda alụmalụ hiri ọdọ ọzọ n'ime akwụkwọ *Nkọli*. Ebe a ka Maazi Ojeuga wepụrụ obi ya kpamkpam n'ebe nne Ekwutosi nọ n'ihi na nne Ekwutosi malitere ịga n'ụlọ dibịa bụkwa ebe ọ gara ịgwọ ọgwụ di ya ji ahụ ya n'anya.

> Nne Ekwutosị nọdụ ala n'oche wee na-ele ya 'muu' ka ehi. Onye dibịa ahụ gwa ya ọzọ sị ọ dị mma ka i bilie ugbu a wee laa n'ụlọ gị n'ihi na m gaghị agwọrọ gị ọgwụ ahụ, ihu 9.

Ọ bụ ụdị agwa a nne Ekwutosi kpara mere obi Maazị Ojeuga jiri pụọ n'ebe ọ nọ mekwara Maazị Ojeuga jiri kpebie na ya na ya agaghị ebikwa ọzọ dịka di na nwunye ma bidokwa mewa nkwado etu ọ ga-esi gbaa ya alụkwaghịm.

**Nwoke ịchụpụ nwunye ya maọbụ nwaanyị iji aka ya chọrọ ụzọ nke ya**

Nwoke ịchụpụ nwunye ya maọbụ nwaanyị iji aka ya kwara si n'ụlọ di ya pụọ na-egosi na alụmalụ ahụ adaala. Etu a ka ụbọchị si dowe ihu n'ime akwụkwọ *Uru Nwa*, oge Wogu gwara nwunye ya ka ọ kwara si n'ụlọ ya laa n'ihi o che na nwunye ya nọ n'ime ụlọ ya agba akwụna.

> Ahụdiya, laa ụlọ nna gị! Lawa ugbu a! Lawa, ọ kara m mma na ị nọghịkwa n'ebe a karịa na ị nọ ya na-emerụ ya, ị nọ ya na-emetọ ya, ihu 44

Mgbe nsogbu dị n'etiti di na nwunye ruru ogo ịsị nwaanyi kwara laa be nna ya, mara na alụmalụ ahụ adaruola ala. Ọ bụ ọnọdụ a ka Ahụdiya hụtara onwe ya mere o ji kpebie isi n'ụlọ Wogu pụọ.

> M wee tulechaa ihe ahụ n'obi m, ọ dịghị ihe m maara m ga-emezi karịa ịkwakọrọ ihe ole na ole m nwere n'ụlọ ya lakwuru nna m, ihu 44

N'ịga n'ihu, Nzeako gosipụtara ọdịda alụmalụ n'akwụkwọ *Nkọlị* oge Ojeuga kpọrọ nwunye ya Ugoye kpọnye ndị mụrụ ya ka ha duru ya laa gaa duọ ya ọdụ.

> Ọgọ m ọ dị otu m siri mee gị ihe ọjọọ biko gbaghara m. Ma o kwesịrị ka ụnụ jụọ nwa ụnụ ajụjụ, duọ ya ọdụ. Mgbe ahụ ka ọ garuru ha nso ma welite aka nwunye ya wee kwuo sị 'nwaanyị oma, ọ dịghị nkọjọ ọ bụla m na-akọjọ gị ma gị gaa ka nne na nna gị dọọ gị aka na ntị. Mgbe ị natara ozi m, ị lọghachi. Ma a lọghachila ma ị nataghị ozi m, ihu49-50

N'ala Igbo, mmadụ ịkpọrọ nwunye ya kpọnye ndị mụrụ ya maka ịdụ ya ọdụ pụtara na di ya achụọla ya n'ihi na ire ka onye maara ihe ji agụ eze ya ọnụ.

N'*Isi akwụ dara n'ala*, ka a hụrụ okwu a kpụ n'ọnụ ebe o welitere isi ọzọ n'etiti Chike na Ada. Mgbe nke a dara ụda bụ oge Ada hapụrụ di ya na ụmụ ha abụọ kwaga Nanka ga biri naanị ya ma na-ebikwa ndụ etu o si sọ ya.

> Mgbe ọ gara abalị anọ nke a mechara, ọ kpọrọ Chike sị ya na ya chọrọ ije Nanka jee biri, ihu 88.

Ada iji aka ya si n'ụlọ di ya kwapụ, gaa biri naanị ebe ọ ga-ebi ndụ etu o si sọ ya gosịrị na alụmalụ ahụ anwụọla pịị. N'aka nke ọzọ, n'ime akwụkwọ *Isi Kote ebu* ka Osuchukwu siri ọnwụ na Nkeiru nwunye ya ga-esirịrị n'ụlọ ya pụọ iji nyere ya ohere ka o nwee ike lụrụ nwaanyị ọzọ.

> Gịnị mere o jiri chọọ ka oriakụ ya nke ya na ya biri ihe ruru afọ iri na ise pụọ n'ụlọ ya? Ikekwe o chere na ụmụnwaanyị dịka ịnyịnya ibu nke onye nwe ya na-eregharị mgbe o mere agadi. Ikekwe o chere na ụmụnwaanyị dịka nkịta a zụtara n'ahịa nke onye nwe ya nwere ike iregharị mgbe ọ bụla ọ chọrọ, ihu 41.

Mgbe nwoke hụtara nwunye ya n'ụzọ ndị a, alụmalụ adaala.

**Nlụgide nwaanyị**

Nwoke ịlụgide nwunye ya nwaanyị pụtara na nke ochie agbụla ya maọbụ na ọ chọghịzi mmekọ ya na nke mbụ maọbụkwanụ na ya na nke mbụ nọ n'ezigbo esemookwu ekweghị ịmanye aka. Mgbe ọ bụla esemookwu dagidere n'ime alụmalụ ga-eme ka nwoke donyere nwunye ya azụ gaa lụrụ onye ọzọ ọ ga-akpọ nwunye ya, alụmdi na nwunye nke ya na nwunye ya nke mbụ alaala. N'akwụkwọ *Isi kote ebu* ka Osuchukwu gara n'ihu lụrụ nwaanyị ọzọ ma dọnyere nke mbụ azụ bụkwa nke zipụtara ọdịda alụmalụ ahụ.

> Osuchukwu nyere ndị Elueke ndị ọgọ ya otu akpa ego maka ndị amaala. Ọ kwụrụ otu puku naịra ego isi akụ nwaanyị, ihu 60

N'akwụkwọ *Uru Nwa* bụkwa ebe ọzọ nwoke chụpụrụ nwunye ya ma lụrụ nwaanyị ọzọ iji gosi n'alụmalụ ahụ agbasaala.

> Nna m n'onwe ya gara lụta nwaanyị ọzọ. O wee pụta na ọ kụọla ntụ na mgbasa ha gbasara, ihu 4

N'eziokwu, ngwangwa a lụgidere nwaanyị nọ na di nwaanyị ọzọ maka esemookwu dapụtara n'ime alụmalụ ahụ mgbasa ha akụọla ntu. N'aka nke Ahụdiya, iji gosi na egwu a na-agba aghọọla sụrụgede, Ahụdiya lụkwara di ọzọ iji gosi na ihe gbasara ya na Wogu aghọọla ihe mere n'oge agha.

> Nwa m, alụkwaranụ m di ọzọ, ihu 49

**Enweghị mgbaghara**

Enweghị mgbaghara bụ mmadụ ịkpọchi obi na mmejọ e mejọrọ ya. Ụdị ọnọdụ a anaghị amịta mkpụrụ ọma ma otu. O nweghị onye kacha mma, e nwekwanụghị onye zuchara oke n'ihe niile. Nke a mere mgbaghara ji dị oke mkpa ọ kachasị n'ime alụmalụ. E nweghị mgbaghara alaala ọtụtụ alụmalụ n'iyi ka na-alakwa ruo taa. Ebe mgbaghara adịghị pụtara na ịhụnanya anwụọla kpamkpam. (https://relevantmagazine.com) sị na ị gbaghara ndị meghere gị adịghị mfe ma enweghị mgbaghara bụ mmadụ ịhapụ nje ọrịa na-egbu egbu ka o jiri ọsọ gazuo ya ahụ niile ebe ọgwụ o nwere ike iji gwọọ ya dịkwa ya.

Enweghị mgbaghara so n'otu ọkụ ọjọọ na-eregbu alụmalụ ya anwụọ pịị. Ufọdụ oge, mmadụ anaghị enwe ike ịgbaghara onwe ya ma ya fọdụzie onye ọzọ. Ụdị obi a na-ebute ndọla azụ na ndụ nakwa ahụike. Ọnọdụ a sere elu n'ime akwụkwọ *Nkoli* ebe Ojeuga jụrụ ịgbaghara nne Ekwutosi nwunye ya n'ihe niile o mere ya na nwunye di ya bụ nne Nkoli wee gbaa ya alụkwaghịm.

> Nna Nkoli wee ṅụọ iyi na nwaanyị ahụ agaghị ehi ụra abalị ahụ n'ụlọ ya. O kwuo sị ọ bụrụ na ị laghị n'ụlọ nne mụrụ gị n'abalị taa, kpọọ m onye na-awị ara, ihu 38.

Enweghị mgbaghara n’ebe nne Ekwutosi nọ bụ ihe kwaturu alụmdi na nwunye ha.

Enweghị mgbaghara kpakwara nkata ọjọọ n’ime akwụkwọ *Urunwa*. N’ebe a ka Wogu sunyere ọkụ okwu na ụka n’ụlọ ya wee ṅụọ iyi na nwunye ya ga-alarịrị. Ọ bụghị naanị nke a mana dịka obi kpọchiri akpọchi, o mere ka nwunye ya mata na ọ bụrụ na ọ laghị na ihe gbasara ya abụghịzi maka Wogu ọzọ. Okwu obi mgbawa ndị a meziri ka nwunye ya tinye isi n’ụzọ be nna ya.

> Ihe o mere ka ọ ṅuchara iyi ya bụ ibili chịrị ihe ite ngwọ ka ya gaa techaa ndị fọdụrụ. Tupu ọ pụọ, ọ sịrị m, ị nọrọzikwa n’ụlọ a ghara ịlawa ị mara na ị nọọrọ onwe gị, ọ bụghịkwa m ka ị na-anọrọ! Ọ bụghị naanị nke ahụ, ọ sịrị na ya bata kwudo m n’ụlọ ya, ihe masịrị ya, ya emee m. M wee tulechaa ihe ahụ n’obi m, ọ dịghị ihe m maara m ga-emezi karịa ịkwakọrọ ihe ole na ole m nwere n’ụlọ ya, lakwuru nna m, ihu 44.

N’aka nke ọzọ, mkpọchi obi pụtakwara ihe n’ime akwụkwọ *Isi Kote ebu* oge Osuchukwu kpọchiri obi ya n’ebe nwunye ya nọ wee sị buru ya n’isi kọọ ya n’ala na ya na nwunye ya Nkiru agaghị ebikwa ọzọ dịka di na nwunye. Mana Nkeiru jikwa ndidi na-eso ya iji mara ma ihe ọ ga-emecha dịkwa mma.

> Nkeiru nwere ndidi, mgbe ihe niile ndị a na-eme o jide obi ya aka jidekwa ọnụ ya aka. Ma a gbaa akụ ya atụ n’ogwe, a gbaa ọzọ ya atụkwa n’ogwe, ọ bụzi ogwe ka e kworo pịa akụ? Ihe niile a Osuchukwu na-eme, o metụghị ya n’obi na ọ bụ mmadụ, ihu 39.

Mbọ niile Nkeiru na-agba iji mee ka ije dị mfe anaghị emetụ Osuchukwu n’ahụ n’ihi na ọ ghọọla onye obiakpọ n’ihe gbasara nwunye ya Nkeiru. Ọ bụkwa otu obi enweghị mgbaghara a mere na Osuchukwu achọghị iji ntị nụ ihe ọ bụla abụghị na Nkeiru nwunye ya esila n’ụlọ ya kwapụ.

> Ma gịnị bụ uche Osuchukwu? Gịnị mere o jiri chọọ ka oriakụ ya nke ya na ya biri ihe ruru afọ iri na ise pụọ n’ụlọ ya? Ikekwe o chere na ụmụ nwaanyị dị ka ịnyịnya ibu, nke onye nwe ya na-ereghari mgbe o mere agadi, ihu 41

Ọ bụ ọnọdụ ndị a kụgburu alụmalụ Osuchukwu na Nkeiru nwunye ya. N’ụdị ya ọzọ, Osuchukwu jụrụ ịgbaghara onwe ya oge alụmalụ ya na Ọbịageli daruru ala. Ọ bụ enweghị obi mgbaghara nye onwe ya n’ihi ihe ọjọọ niile o mere nwunye ya Nkeiru nakwa ụdị ọnọdụ o tinyere onwe ya n’ime ya mere o ji were ndụ ya bụkwa nke kwaturu alụmalụ ya na Ọbịageli.

N’akwụkwọ *Isi akwu dara n’ala* ka enweghị obi mgbaghara hikwara odo ọzọ. N’ebe a ka Chike jụrụ ịgbaghara Ada nwunye ya oge agha biri ma jụkwa ịlụ ya ka nwunye ọzọ n’agbanyeghị arịrịọ niile Ada rịọrọ ya ka o nye ya ohere ọzọ ka nwunye.

> Ada wee gbudo ikpere n’ala rịọ ya sị, Chike biko meere m ebere. Nwaa m ọzọ. Ma ọ bụghị Chike ka ọ na-akọrọ nke ahụ. Ọnya ataala Chike, Chike wee mara na ijiji nwere eze, ihu 204

Mgbe Ada riọgidere ya arịrịọ hụ na ụzọ abụrụla agaaga o wee kuru nwa ya tinyekwa isi n’ụzọ o si bịa ma ka ọ na-ala, Chike di ya kpọghachiri ya azụ wee sị ya.

> Ọnọdụ ị nọ ugbu a na-ewute m nke ukwu. Ma ị bụrụla onye ndị mmadụ lụfọrọ alụfọ na di. Mụ bụ Chike anaghị eri ihe e rifọrọ erifọ. Nne were ego a gbaa ụgbọ lawa na be nna gị ma buru

n'uche na ọ dịghị ihe ga-eme ka m lụkwaa gị ọzọ maka na isi akwụ dara n'ala edetụla aja, ihu 205

### Ụzọ enwere ike isi gbochie ọnọdụ a

- Di na nwunye agaghị ekwe ka nsogbu maọbụ iwe ọ bụla dapụtara n'etiti ha bọọ chi.
- Ha ga na-agba mbọ ime ibe ha obi ụtọ.
- Di na nwunye ga-ewepụ aka kpamkpam n'ihe ọ bụla ga-ebutere ha akọrọmọọnụ na ihe ihere n'ama.
- Ha ga na-echekwa alụmalụ ha oge niile, na-amụ ya ka nwa.

### Nchịkọta na mmechi

Nchọcha a chọpụtara ka ndị Igbo si ahụ ọdịda alụmalụ, ụfọdụ ihe ndị na-akpata ọdịda alụmalụ**.** A chọpụtakwara ka ọnọdụ a si daa ụda n'ime akwụkwọ ndị a họọrọ.Nchọcha a tụnyekwara azụ ụzọ ndị e nwere ike isi mee ka ọnọdụ ọjọọ a ghara ịdị ire n'ime alụmalụ.

Ọdịda alụmalụ bụ ihe mmadụ na-akpatara onwe ya site n'ụdị agwa onye ahụ na-akpa n'ime alụmalụ ya ma bụrụkwa ihe mmadụ nwekwara ike igbochi maọbụrụ ma ọ chọọ. Nke a pụtara na ọdịda na mbili nke alụmalụ ọ bụla dị ndị nọ n'ime ya n'aka n'ihi na ọ bụrụ ma ha atọsaghị onwe ha, mmadụ ọ bụla apụghị ime nke a. Ya bụ, ka ndị mmadụ wepụ aka enwe n'ofe ma chekwaa alụmalụ ha. Ọ bụrụ na e mee nke a, ọ ga-ebelata ọtụtụ ọdịda alụmalu.

### Edensibịa


Amato, P.R. & Denise, p. (2003). People's Reasons for Divorcing. *Journal of Family Issues* Vọl. 24 No 5. Ihe e wetara na ntaneetị 14/4/2018.

Ihentuge, F.A. (1981). *Isi kote ebu*. Ibadan: Macmillan Nigeria Publishers

Kristi, W. & Aleụandra, D. (2006). Divorce and Adult Psychological Well-being: Clarifying the Role of Gender and Child Age. *Journal of Marriage and Family 68* (1178-1196). Ihe e wetara na ntaneetị 12/4/2018.

Maduekwe, J. (1978). *Uru nwa*. Ikeja: Longman Nigeria.

Mbosowo, D. (1994). The Extent and Rate of Divorce in Plateau State Nigeria 1980 to 1988. *Journal of Divorce &Remarriage* (21)3-4 147-170 dol:10.1300/j087v2/m0308. Ihe e wetara na ntaneetị 14/4/2018.

Nzeako, T. (1973). *Nkoli*. Ikeja: Longman Nigeria.

Ogbalu, F.C. (1979). *Omenala Igbo*. Onitsha: University Publishers

Omoge, M.I. (2013). Critical Issues in Marriage Failure in Benin City Nigeria: Signaling the Way Forward. *European Scientific Journal* vọl 9 no 5 324-337.

Osuagwu, B.I.N. (1979). *Ndị Igbo na Omenala Ha*. Owerri: Macmillan Nigeria Publishers.

Ubesie, T. (1973). *Isi Akwu Dara n'Ala*. Ibadan: University press.

Ubesie, T. (1978). *Odinaala Igbo*. Ibadan: Oxford University Press.

https://relevantmagazine.com. Ihe e wetara na ntaneetị 12/4/2018.